## Ajụjụ Ndị A Na Ajụkarị

Ọkwa maka Ịnakọta Ozi Nkeonwe

A na ahụta ozi dị n'ime Mpempe Akwụkwọ Gbasara Agbụrụ Onye ka ozi nkeonwe nke ụmụ akwụkwọ. Ajụjụ Ndị A Na Ajụkarị na akọwa ihe kpatara Minnesota Department of Education (MDE) ji anakọta ozi a; ọ bụrụ na achọrọ ka ịnye ozi ahụ; otu anyị ga-esi jiri ya; yana onye nwere ike ịnweta ya.

### Kedu ihe kpatara eji achịkọba ozi a?

Na 2017, Ndị Ọmebe Iwu Steeti Minnesota rịọrọ ndị mpaghara na chata ka ha chịkọtakwuo ozi ụmụ akwụkwọ na otu ngalaba agbụrụ anọ n'ime nke isii nke ndị Ngalaba Mmụta U.S debere maka otu dị iche iche. Maka ozi ndị ọzọ, gaa na Minnesota Statutes 2017, 120B.35, subdivision 3 (https://www.revisor.mn.gov/statutes/?id=120B.35).

Ebumnuche ịchịkọtakwu ozi ndị nna ochie ma ọ bụ mmalite agbụrụ bụ iji ghọta nke ọma ma chọpụta mkpa ụmụ akwụkwọ niile nọ na Minnesota. Ndị Ọrụ Gbasara Agbụrụ nke Minnesota chọpụtara otu ndị a akọwapụtara nke ọma kachasị buo ibu dabere na U.S. Census Bureau's classification/coding system (https://www.census.gov/topics/population/race/about.html). Ozi iji kpebie otu ndị kachasị buo ibu ewepụtara site na Nyocha Ogbe America n'ime otu afọ ma ọ bụ afọ ise nke mkpokọta ọkara dataset. Maka ozi ndị ọzọ, rụtụ aka na ibe akwụkwọ American Community Survey (https://www.census.gov/programs-surveys/acs/).

### Kedu mgbe enwere ike ịchịkọta ozi a?

Afọ akwụkwọ 2018-2019: A ga-ekesa nchịkọta izizi ozi ndị nna ochie ma ọ bụ agbụrụ na mpaghara ise ndị anyị na ha nwere nkwekọrịta: Community of Peace Academy, Minnetonka Public Schools, Schoolcraft Learning Community, St. Paul Public Schools, yana Worthington Public Schools. Ndị mpaghara a anyị na ha nwere nkwekọrịta nwere ike izipu mpempe akwụkwọ nchịkọta ozi n'oge anwụ /oge ọdịda akwụkwọ nke afọ akwụkwọ 2018-19 na njikọta nke akwụkwọ ndenye aha maka afọ akwụkwọ 2018-19. Ndị mpaghara ise ahụ anyị na ha nwere nkwekọrịta ma ọ bụ chata ga-eziga nchịkọta ozi ndị nna ochie ma ọ bụ agbụrụ ụmụ akwụkwọ a n'aka Minnesota Department of Education (MDE) n'oge afọ akwụkwọ nke 2018-19.

Dabere na ihe mmụta amụtara na mpaghara ise ndị anyị na ha nwere nkwekọrịta ma ọ bụ chata, ndị mpaghara na chata ndị ọzọ nwere ike iziga ụdị nke mpempe akwụkwọ nchịkọta ozi gbasara agbasa n'oge ọdịda akwụkwọ/oyi nke afọ akwụkwọ 2018-19 yana mpempe akwụkwọ ndebanye aha maka afọ akwụkwọ 2019-20.

Afọ akwụkwọ 2019-2020: A ga-arịọ mpaghara niile ka ha zite ozi gbasara ndị nna ochie na agbụrụ ụmụ akwụkwọ a na ngalaba ahụ n'ime oge afọ akwụkwọ 2019-20.

A ga-enyocha ma melite ozi a kwa afọ ise ọ bụla site na ụbọchị ewubere ya na mpaghara niile dị na steeti, gụnyere mpaghara ise izizi ndị anyị na ha nwere nkwekọrịta , malite n’afọ akwụkwọ 2024-25.

## Agwara ezinụlọ niile ka ha zaa ajụjụ ndị a?

Ee. Maka afọ akwụkwọ 2018-2019, a na-agwa ezinụlọ niile nwere nwata akwụkwọ n’otu mpaghara ndị anyị na ha nwere nkwekọrịta nke na-agụ K-12 ka ha zaa ajụjụ ndị a. Enwere ike ịgwa otu n’ime nne na nna na mpaghara ndị anyị na ha nwere nkwekọrịta ka ha dejupụta mpempe akwụkwọ nke edegharịrị n’afọ na-abịa, dị ka ngalaba ga-agakwa n’ihu na-etinye nzaghachi sitere n’aka ọhaneze na mpempe akwụkwọ a.

Maka afọ akwụkwọ 2019-2020 mpaghara Minnesota niile ga-ajụ ezinụlọ niile ka ha dejupụta mpempe akwụkwọ nnakọta ahụ nwere otu ndị ahụ akọwara nke ọma.

## Ọ bụrụ na ezinụlọ edejupụtaghị mpempe akwụkwọ a?

Achọrọ ka ụlọ akwụkwọ kpesa ozi agbụrụ n’aka steeti yana Ngalaba nke Ụlọ Akwụkwọ nke U.S. Achọghị ka ịnye ozi a n’aka gị mana ọ bụrụ na ị megh ị, iwu etiti obodo chọrọ ka ụlọ akwụkwọ ahụ meere gị ya. Ọ bụrụ na ezinụlọ edejupụtaghị mpempe akwụkwọ ahụ, *achọrọ ka ndị ngalaba kpebie ajụjụ agbụrụ etiti obodo ahụ, n’ọkpụrụkpụ*, dabere ozi kachasị mma ha nwere yana iji nyefee ozi ahụ n’aka Minnesota Department of Education (MDE).

Achọghị ka anata ngalaba nhọrọ nke mpempe akwụkwọ ahụ n’aka gị, nakwa achọghị ka *ndị ngalaba* kpebieere gị koodu *ndị nna ochie/agbụrụ* ndị ahụ akọwara nke ọma. Ọ bụrụ na ị nyeghị ozi a, ụlọ akwụkwọ na MDE agaghị ama maka otu nke ụmụ akwụkwọ pụrụ iche, ha nwekwara ike ha agaghị achọpụta ma nye mkpa agụmakwụkwọ nke otu ụmụ akwụkwọ ndị a pụrụ iche.

**Ajụjụ ndị gbara ọkpụrụkpụ**

Ajụjụ ndị gbara ọkpụrụkpụ bụ ajụjụ ndị etiti obodo na ajụ maka agbụrụ. Anyị nabatara nzaghachi ahụ na agbụrụ bụ nghọta mmekọrịta ọha, na nkọwa dị iche iche. Anyị na eso nduzi nke etiti obodo na mmado nke ọ bụla

..............................................................................................................................................................

Koodu agbụrụ etiti obodo isii pụtara dị ka ajụjụ “Ee/Mba” n’ime mpempe akwụkwọ ahụ ma gụnyekwa ajụjụ agbụrụ n’elu yanakwa Ajụjụ 1-6. Nchịkọta data etiti obodo nke ozi agbụrụ na-ajụ ụzọ ajụjụ abụọ. Ajụjụ ahụ dị n’elu na ajụ ma nwata akwụkwọ ahụ abụ Hispanik/Latino. Gọọmentị etiti na-ewe onye Hispanik/Latino ka agbụrụ. Ajụjụ ndị (1,2, 3, 4, 5, na 6) fọdụrụ na-arịọ ka ahọrọ opekempe otu n’ime ndị a: Onye America India, Onye Asia, onye ojii ma ọ bụ Onye Africa America, Amaala Hawaii ma ọ bụ Pacific Islander, ma ọ bụ Onye ọcha. Gọọmentị etiti na-ewe otu ndị a dị ka agbụrụ.

Ọ bụghị iwu na ezinụlọ ga ahọrọ otu n’ime ngalaba ndị a. Ọ bụrụ na ha emeghị nke a, a na-arịọ ndị mpaghara dịka iwu etiti obodo siri dobe ka ha chọpụta ma ziga ozi ndị a maka ụmụ akwụkwọ dabere na ozi kacha mma nke ha nwere. A na-enye ntuziaka ka ndị mpaghara chịkọta ozi ndị achọrọ maka ụmụ akwụkwọ niile site na iji ụzọ ndị a n’usoro ndị a:

A. ihe njirimara nne na nna ma ọ bụ onye nlekọta;

B. njirimara nkeonwe afọ ya dabara adaba, mgbe njirimara nne na nna ma ọ bụ onye nlekọta adịghị;

C. ọ bụrụ na njirimara nkeonwe nne na nna, onye nlekọta, ma ọ bụ nwata akwụkwọ adịghị ire, enwere ike jiri ịhụ anya nke onye isi ụlọ akwụkwọ ma ọ bụ onye ahọpụtara, dabere na ntuziaka edepụtara nke ndị mpaghara dobere.

**Ajụjụ Nhọrọ**

Ajụjụ ndị amadoro ka nhọrọ na ajụ maka ozi ndị nna ochie/agbụrụ. Nnakọta nke ozi a abụghị, agbanyeghị, ihe etiti obodo chọrọ. Achọghị ka ndị mpaghara mee mkpebi na koodu ndị nna ochie/agbụrụ akọwara nke ọma. A na anakọta ozi a n'ihi nkọwapụta agụnyere n'ime Iwu Minnesota 2017, 120B.35, ngalaba ọnọnokpuru 3 dị ka ekwuru n'elu n'ime ngalaba "Gini kpatara eji achikọta ozi a?" Otu nhọrọ bụ:

- Anishinaabe/Ojibwe; Cherokee; Dakota/Lakota; Nsonye Agbụrụ American India Ndị Ọzọ
- Onye Asian India; Onye Burma; Onye China; Onye Philipine; Hmong; Karen; Onye Korea; Onye Vietnam; Asia Ndị Ọzọ
- Onye African-America; Onye Ethiopia-Oromo; Onye Ethiopia-Ọzọ; Onye Liberia; Onye Nigeria; Onye Somalia; Onye Ojii Ọzọ
- Onye Colombia; Onye Ecuador; Onye Guatemala; Onye Mexico; Onye Puerto Rico; Onye Salvador; Onye Spain/Spanish/Spanish-American; Hispanik Ọzọ/Latino

**Mkpesa**

Ejikọghị ozi nke dị na ajụjụ izizi na Ajụjụ 2-6 na enyemaka aka ego nke steeti. Ọ bụrụ na ezinụlọ họrọ Hispanik ma ọ bụ Latino, a ga-eziga nwata akwụkwọ a dị ka Hispanik ma ọ bụ Latino n'ọkwa etiti obodo. Ọmụmaatụ, ọ bụrụ na nwata akwụkwọ họrọ Hispanik ma ọ bụ Latino ma ọ bụ Onye Ọcha, a ga-akọwapụta ha dị ka Hispanik ma ọ bụ Latino na sistemụ mgbakọ. Ọ bụrụ na ezinụlọ họrọ ihe karịrị otu n'ime ndị a: Onye American India, Onye Asia, Onye Ojii ma ọ bụ Onye African America, Amaala Hawaiia/Pacific Islander, ma ọ bụ Onye Ọcha , a ga-akọwapụta nwata akwụkwọ ahụ n'ọkwa etiti obodo dị ka "agbụrụ abụọ ma ọ bụ karịa." Ọmụmaatụ, ọ bụrụ na-ahọpụtara nwata akwụkwọ dị ka Onye American India ma ọ bụ Amaala Alaska yana Onye Ọcha, a ga-akọwapụta ya dị ka "agbụrụ abụọ ma ọ bụ karịa" na sistemụ mgbakọ. A na-akọwapụta otu ndị a dị ka koodu agbụrụ etiti obodo nke asaa, ọ naghị apụtacha nke ọma na mpempe akwụkwọ ahụ.

A na-ajụ ụmụ akwụkwọ na ajụjụ 1 ka ha gosipụta ma ha a na-akọwapụta onwe ha dịka Onye American India ka ọ bụ onye Amaala Alaska. Otu ndị a ka steeti Minnesota na-akọwa dị ka ndị nwere nna ochie ọ bụla n'etiti ndị mmalite North America ma na edobekwa omenaala ha site na nsonye agbụrụ ma ọ bụ nnabata obodo. A na-ekpesa ozi a n'etiti obodo ma werekwa ya agbakọ enyemeka steeti.

Koodu nna ochie na agbụrụ edepụtara nke ọma nke Minnesota: Ngalaba ndị a gụnyere ajụjụ 1a, 3a, 4a, na 5a. Nchịkọta ozi a abụghị, kaosiladị, ihe etiti obodo chọrọ. *Anaghị achọ ka ndị mpaghara mee mkpebi na koodu nna ochie/agbụrụ.* A na-achịkọta ozi n'ihi ozi dị mkpa nke dị na Iwu nke Minnesota 2017, 120B.35, nkewa ọnọnokpuru 3 dị ka akọwara n'elu na ngalaba "Kedu ihe kpatara eji achịkọta ozi a?".

### Kedu ihe kpatara ụfọdụ otu ji nwee nhọrọ nke otu ndị akọwapụtara nke ọma, mana ndị ọzọ enweghị?

Otu ndị akọwapụtara nke ọma bụ Minnesota Statutes 2017, Section 120B.35, subdivision 3 na achịkwa ha (https://www.revisor.mn.gov/statutes/?id=120B.35).

N’okpuru iwu a, enyeghị ndị “Amaala Hawaii ma ọ bụ Pacific Islander Ọzọ” yana “Onye ọcha” ohere ịkọwapụta otu ha nke ọma. N’okpuru usoro iwu data steeti , Minnesota Statutes 2017 Section 13.05, subdivision3 (https://www.revisor.mn.gov/statutes/?id=13.05), enyere MDE oke ijikwa ojiji na nkesa ozi nkeonwe, naanị n’ihe ndị dị mkpa iji chịkọba ma jikwaa mmemme ndị nwere ikike site n’aka gọọmentị etiti.

### Kedu otu enwere ike isi chịkọta ozi a?

Iji nye ezinụlọ niile ohere iji kọwapụta onwe ha nke ọma, mpaghara nwere ike ịhọrọ ịchịkọta ozi ahụ n’ụzọ ha hụtara ka nke kacha dabaa na omenaala yana asụsụ ndị. A na-akwado ndị mpaghara ka ha jiri mpempe akwụkwọ nchịkọta data yana leta ndị nne na nna wee zilaa nwata akwụkwọ niile ụlọ.

### Ọ bụrụkwanụ na akọwapụtala ezinụlọ site na iji ngalaba ndị dị adị?

Ọ bụrụ na ezinụlọ ewerela mpempe akwụkwọ ndị dịbụ adị wee nye ozi a, a na-arịọ ha ka ha nyefeghariạ mpempe akwụkwọ ahụ ọzọ. Nke a bụ n’ihi na Ngalaba Mmụta nke Minnesota na-agbanwe sistemụ nchịkọta ozi ha. A ga-enye ezinụlọ niile ohere ịnye ozi agbụrụ akọwapụtakwuru nke ọma n’ime akwụkwọ ma ọ bụ n’ụzọ elektrọniki.

### Kedu ka a ga-esi jiri ozi a n’ọkwa steeti?

Ozi ọkwa-nke nwa akwụkwọ gị bụ ihe nkeonwe, naanị MDE ga-eji ya otu achọrọ ma ọ bụ nye ikike n’okpuru iwu. Ọ bụrụ na anyị kpesa ozi anyị ga-ekpesa maka otu, ọbụghị ụmụ akwụkwọ iche iche.

- A ga-eji ozi agbụrụ ndị akọwapụtara nke ọma maka nchịkọta ozi steeti yana ebumnuche mkpesa.
- Na ndabere iwu steeti, Ngalaba Mmụta nke Minnesota na-ahazi ịkpesa ozi a n’ọkwa njikọ otu maka nyocha na ntozu data afọ izizi. Mkpesa n’ọdịnihu nwere ike gụnye ozi ogo otu maka ihe ngoispụta uto, nkwado maka agụmakwụkwọ agụchaa sekọndịrị na ohere ọrụ, nchekwa ụlọ akwụkwọ, yana nsonye na mmekọrịta ụmụ akwụkwọ n’ụlọ akwụkwọ.
- A ga-ejikọkwa ozi agbụrụ nwata akwụkwọ yana ọnọdụ mmụta nke nwa akwụkwọ pụrụ iche, ọkwa ọmụmụ asụsụ Bekee, oke/nwunye, yana ozi gbasara agbụrụ ndị ọzọ. Mkpesa n’ọdịnihu nwere ike nye mkpesa otu na-enye ohere maka ọtụtụ mkpokọta ma ọ bụ nhọrọ ozi a. Ọmụmaatụ, ịchọkọta ozi a nwere ike nye ohere maka ntụle nke oke ntozu ụmụ nwoke China na anaghị amụ asụsụ Bekee n’etiti nke ụmụ nwanyị Somalia na-amụ asụsụ Bekee.
- N’isonye ụkpụrụ mkpesa MDE, a ga-achịkọta mkpesa maka otu ọ bụla pere mpe ezughị ụmụ akwụkwọ 10, gụnyere nsonaazụ ebe ụmụ akwụkwọ ndị fọdụrụ erughi ụmụ akwụkwọ 10. Mkpesa ọ bụla dabere n’ozi agbụrụ a akọwara nke ọma ga-ejirikwa iwu mgbochi nke abụọ MDE na emebe ma hazie ibupụta na Disemba 2018.

**Kedu otu a ga-esi jri ozi a n'ọkwa mpaghara?**

Maka ozi ndị ọzọ gbasara otu a ga-esi jiri ozi n'ọkwa ngalaba biko kpọtụrụ ụlọ ọrụ (ndị) ngalaba gị.

## A ga-eziga ozi a na gọọmentị etiti?

Naanị ozi maka agbụrụ nke etiti obodo chọrọ sitere n'ajụjụ ndị gbara okpurukpu (Onye American India ma ọ bụ Amaala Alaska ; Onye Asia; Onye ojii ma ọ bụ Onye African America; Hispanik/Latino; Amaala Hawaiia ma ọ bụ Pacific Islander; Onye ọcha) ka a ga-ezigara gọọmentị etiti. Agaghị ezigara gọọmentị etiti ozi agbụrụ ndị akọwapụtara nke ọma (amadoro ka nhọrọ). A ga-amachi ozi a n'ụzọ ndị a:

- Agaghị ekpughepuru ozi a maka ọhaneze n'ọkwa nke nwata akwụkwọ.
- Agaghị ejikọ ozi a n'ọnọdụ mbịambịa nke ọkwa steeti ma ọ bụ etiti obodo, yana agaghị enyochakwa ya n'ebe ọ bụla.
- Ozi a agaghị emetụta ma nwata akwụkwọ enwere ike ịga ma ọ bụ ghara ịga ụlọ akwụkwọ.
- Ebe a na-achịkọta ozi a maka nwata akwụkwọ ọ bụla, enwere ike ịkpesa ya n'ọhaneze maka otu ụmụ akwụkwọ. Mkpesa nke ndị ngalaba ahụ na-enye bụ maka iji chekwaa njirimara nwata akwụkwọ niile, otu ụmụ akwụkwọ a ga-aba ụba nke ukwuu nke na enweghị ike ịchọpụta otu nwata akwụkwọ ọ bụla.
- Agaghị ejikọ ozi a na arụmọrụ onye nkuzi ma ọ bụ nlele ya.
- Ozi a agaghị emetụta ịbanye kọleji.

## Kedu onye nwere ike nweta ozi a n'ogige?

Onye nwere ohere ịnweta ozi nwere ọzụzụ nọ n'ụlọ ọrụ nchịkwa nke ụlọ akwụkwọ nke nwata akwụkwọ gị ga-etinye mpemkpe akwụkwọ a yana ozi dị n'ime ya n'ime sistemụ ozi. Onye ọrụ ụlọ akwụkwọ ọ bụ ọrụ ha ịhazi ndezu na nchịkọta mpempe akwụkwọ ozi, nwekwara ike ịlele mpempe akwụkwọ ndị edejupụtagoro ka a na-ebuga ha na ime ụlọ njikwa.

## Kedu onye ọzọ nwekwara ike ịnweta ozi a?

Ndị ụlọ akwụkwọ na Minnesota Department of Education (MDE) ga-amachiriri ohere ịnweta ozi ahụ enyere n'ime mpempe akwụkwọ ahụ n'ihi ọ bụ ozi nkeonwe. Ndị nwere ike ịnweta ya gụnyere:

- ụlọ akwụkwọ na ndị ọrụ MDE ndị kwesịrị ịnweta ozi ahụ iji rụọ ọrụ ha;
- onye ọ bụla ị nyere ikike iji nweta ozi ahụ; na
- onye ọ bụla kwesịrị ma ọ bụ enyere ikike n'aka steeti ma ọ bụ iwu etiti obodo iji nweta ozi ahụ.